# ARỊRỊỌ NKE MOSES MAKA IRU CHINEKE

## Ọpupu 33:1-23

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 68 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Irum ganēje, M'gēme kwa ka i zuru ike" (Ọpupu 33:14).**

**I Chineke jụrụ Isoro Ụmụ Israel Jee Kenean**

1. Chineke duziri Moses ka O duru ụmụ Israel rue ala Kenean ka ewee mezue mkwà Chineke kwererị ndị nna ochie ahụ, Ọpupu 33:1; Jenesis 12:1; 15:18-21; 17:8; 28:13, 14; Abù Ọma 105:42
2. Chineke kwere mkwà iziga otù mmụọozi n'iru ụmụ Israel ebe Ọ náapụghị isoro ha jee n'ihi mmehie ha, Ọpupu 33:2, 3; Joshua 7:12; Abù Ọma 66:18; Aisaia 59:2
3. Mkwupụta ahụ dịnsọ wetara mwute n'etiti ndị Isreal, Ọpupu 33:4-6; Abù Ọma 34:18; 51:17; Aisaia 66:2
4. Moses wepụrụ Ụlọikwu nzute ahụ (Ọ bụghị Ụlọikwu ahụ bụ́ ebe ndị nchụàjà naanọ náejeozi n'iru Chineke, bụ́ nke amara n'ikpèàzụ̀) n'àzụ̀ ọmụma ụlọikwuu, ndị ahụ wee náeje kwa n'ebe ahụ, Ọpupu 33:7, 8; Abù Ọma 34:4; Ndi Hibru 10:25

**II Arị rị ọ Moses N'ihi Ụmụ Israel**

5. Iru nke Chineke nime Ụlọikwuu ahụ bụ́ ihe náegosi nkeọma na Chineke naeduzi Moses nkeọma, Ọpupu 33:9-11; Ndi Hibru 13:7
6. Joshua, onye náejere Moses ozi gosikwara nrubeisi nke ya nye Chineke ma nye kwa Moses site ná esighị n'Ụlọikwuu ahụ pụta, Ọpupu 33:11; 17:9, 10, 13; 24:13; 32:17
7. Arịrịọ nke Moses rịọrọ banyere mmazu nke Chineke na ụzọ Ya niile, na ịbịarụ Chineke nso ná mkwuwaokwu bụ̀ n'ihi na o nwere ndụ imemmụọ nke náadịghị achọ náánị ihe nke aka ya, Ọpupu 33:12, 13; Jeremaia 9:23, 24; Hosea 6:3; Jọn 7:12
8. Chineke kwere mkwà banyere ihe ahụ nke Moses rịọrọ, Ọpupu 33:14; Aisaia 63:9-14; 54:7, 8; Abù Ọma 78:52-55; 2 Pita 1:3
9. Moses naara mkwà ahụ, ebe arịrịọ ya bụ́ maka otuto nke Chineke, na ọ dị mma nke Ụmụ Israel na ihe ịgbàámà nye ndị náekweghịekwe, Ọpupu 33:15, 16; Mak 16:17; I Ndi Eze 8:56
10. Chineke nyekwara ihe owuweanya ọzọ náarịrịọ ahụ zuruókè nke Moses rịọrọ, Ọpupu 33:17
11. Moses, ebe ọ naagụsi ya ike ịkpá nso Onye pụrụ ime ihe niile karịa ọ rịọrọ ihe kachasị mkpà, Ọpupu 33:18, 19
12. Chineke zara arịrịọ Moses bụ́ ndị nke o nwereike ịnagide, Ọpupu 33:20-23; Jọn 1:18

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Mkwà Ahụ Nke Náadị ghị adà**

Ná mmalite nke mba ahụ bụ́ Ndi Hibru, mgbe akpọpụtara Abraham site n'ala Ua Chineke kwere mkwà na mkpụrụ Abraham gaemesi nweta ala Kenean. Emere ka mkwà a dị ọhụụ nye Aisak na Jekob mgbe oge naaga, ma ọ dịghị otù onye nime ha o mezuru n'oge nke ya. Ha naebi n'ụlọikwu wee náawagharị n'ala ahụ n'oge ndụ ha niile. Ma Chineke adịghị echefu mkwà Ya niile; ma mgbe Ụmụ Israel kwaraákwá banyere ibu arọ̀ ha Onyenweanyị kpọpụtara ha n'ala Ijipt n'ụzọ dị ebube wee malite iduru ha ijé Kenean.

Ndị Israel ekwesịghị ntụkwasịobi nye Chineke, ha erughị kwa ọ̀tụ̀tụ̀ nke Chineke lereanya, ma mkwà niile nke Chineke kwere Abraham naeguzosiike. Obi atọghị Chineke ụtọ n'ebe Ụmụ Israel nọ n'ihi mmehie ha. Ọ gaekpochapụworị ụmụ Israel, ma ewezuga arịrịọ nke Moses, bụ́ onye kpeere ha ekpere. Moses chetaara Chineke na aha Ya agaghị anara otuto ma ọ bụrụ na O bibie ụmụ Israel. Ọ bụrụ na Moses arịọghị arịrịọ a, okwu ikpé ahụ nke ekwuru n'ókè Ala Mkwà ahụ -- na ọ dịghị onye gaabà Kenean -- n'ezie gaara abụ́ ihe agaekwuworị n'Ugwu Sainai. Ọ dịghị onye ọ bụla nime ha pụrụ ịbà na ala Kenean.

Chineke chègharịrị n'ikpé ahụ nke Ọ chọrọ ikpé ụmụ Israel; mgbe ebo Livai kewapụtasịrị onweha site n'ebo ndịọzọ o wee nye iwu ka ha si na Sainai bulie ijè ịmalite njèm ahụ dị ogologo ịgaru Kenean. Ọ naecheta mkwà ahụ nke O kwererị Abraham, Aisak na Jekob. Ọ naenye ụmụ Israel oghere ọzọ iji nwapụta ikwesịekwesị ha na ịhụ́ n'anya ha nwere n'ebe Ọ nọ. Ma n'ihi mmehie nke dị n'etiti ha Chineke apụghị kwa ịnọ n'etiti ha ọzọ.

**Mkpà Nke Ịdị Nsọ Dị**

Chineke apụghị inọ n'ebe anaeme maọbụ náanabata mmehie. Mgbe Jisọs nwụrụ na Kalvarị O buru mmehie anyị niile n'arụ Ya ka anyị onweanyị wee ghara ịnwụ, mpụtaìhè nke mmehie anyị wee dakwasị Onye ahụ náenweghị mmehie, nke a mere ka Chineke zopụ iru Ya n'arụ Ọkpara Ya nke Ọ hụrụ n'anya. Chineke apụghị

ilegide mmehie anya mgbe Kraist nwụrụ, maọbụ ibi n'ebe mmehie dị n'oge nke ụmụ Isreal. Ọ pụghị kwa ịkpọ onye ahụ nwere mmehie nime obi ya nwa Ya.

Enwere ọ̀tụ̀tụ̀ nke àmàrà na nke ikpé mgbe Chineke jụrụ ịnọ n'etiti ụmụ Israel. Ọ gajeghị ịrapụ ha kpamkpam ịga n'ụzọ nke aka ha, kama O kwere mkwà izipụ mmụọozi ka ọ náeduzi ha. N'ihi ọchịchọ nke mmehie dị nime ha O wee site n'ebe ha nọ wezuga Onweya n'ịhụn'anya, ka O wee ghara ibibi ha nime mmehie ha mgbe ha si n'ebe Ọ nọ pụọ dịka ha naeme mgbe niile. Ha pụrụ ịbụ ndi agaekpuchi n'ikpé mberede nke Chineike, site n'ụzọ dị otú a, ewee nye ha oghere ichègharị wee were obi ha chigharịkute Chineke ọzọ.

**Ụlọikwuu Nzute Ahụ**

Ọpụpụ Chineke pụrụ n'etiti ha bụ ihe wetara ezi mgbanwe na urù dị ukwuu. Ebe ọ bụ na Chineke nọrịị n'etiti ha wee bụrụ Onye isi ọchịchị ha, Onyendú, Onyenlekọta, na Onyenzọpụta ha. Dịka ihe anaahụ́ anya si dị ha ruru uju ma jụ kwa iyikwasị ihe ọlaedo ha dị icheiche. Náagbanyeghị ịbụ ndị náekweghị nchikọta, mmehie ha, na ikpere arụsị ha, ha achọghị ka ha bụrụ ndị ekewapụrụ n'ebe Chineke nọ; ma mgbe Moses gwara ha okwu niile nke Chineke ha nwere mwute nke dị ukwuu. Ha wee nwee obi nchègharị karịa n'oge ọ bụla nke garaaga, náeyipụsị ọla ha niile. Chineke hụrụ nchègharị ha.

Tupu amaa Ụlọikwuu ahụ bụ́ nke egosiri Moses n'Ugwu Sainai, Ụmụ Isreal nwere ebe Chineke naezute ha. Ebe a ka anaakpọ Ụlọikwu nzute, ọ bụ kwa n'ebe a ka anaeche na ọ bụ ebe Moses biri, maọbụ ebe o ji mee isi ụlọọlụ ya. Mgbe Chineke nyere Moses mkpebi Ya, o wepurụ ụlọikwu a wee maa ya n'azụ̀ ọmụma ụlọikwuu n'ebe dị anya site n'ebe ụmụ Israel nọ ka o wee mee ka ụmụ Israel mara nkeọma na Chineke anọghị kwa n'etiti ha. Moses gosikwara n'ebe a mkpebi náagbanyeghị ihe ahụ dị mkpà ime na ya onweya aghaghị ibi n'ebe Chineke gaanọnyere ya.

Mgbe nke a mere ụmụ Israel nwere mwute banyere ọnọdụ nke imemmụọ ha, ha wee náeguzo n'ọnụụzọ ọmụma Ụlọikwuu ha mgbe Moses naaba nime Ụlọukwuu ahụ. Lee otú ha gaesiworị nwere onweha, nwee kwa nkasịobi mgbe ha hụrụ ogidi igweoji ahụ ka ọ naarịdata n'elu Ụlọikwuu ahụ, n'ihi na ha maara na Chineke naagwa Moses okwu, náeme kwa ka ha mara na Chineke gaabụ Onyendú ha.

**Joshua, Onyeagha Kwesịrị Ntụkwasịobi**

Otú ọ dị Moses anọghị náání ya ná nguzo ya nye Chineke. N'oge ọ bụla anaenwe mmadụ olenaole bụ́ ndịkom na ndịnyom náeguzoro Chineke n'oge nke mmehie na ndapụ nke ụdị ọ bụla. Chineke naenweta mmadụ olenaole ndị gaabụ "Samuel" ndị pụrụ ịnụ́ olu Chineke, mgbe ndị dịka Elai náapụghị ịnụ́, puku mmadụ asaa (7,000) ahụ kwa, bụ́ ikpere niile nke ákàegbughị n'ala nye Beal, ọbụná ma asị na ndị bụ́ "Elaija," amatabeghị ha, ndị bụ "Elaisha" ndị kwọsara mmiri n'aka "Elaija"; "ụmụ Hibru ahụ" ndị guzoro n'àzụ̀, ha na "Daniel" na ndị dị ka "Joshua" ndị mgbe emere ihe wutara mmụọ Chineke n'ihi mmehie, ha achọghị ịrapụ Ụlọikwuu ahụ.

Ọ bụ kwa otù Joshua a bụ̀ onye náetufughị oge n'ịhazi ndị agha wee guzogide ihe egwù nke ibu agha megide ndị Amalek azụ̀rụ̀ nkeọma, mgbe Moses naekpere ụmụ Israel ekpere maka inyeaka Chineke. Ọ bụ kwa otù Joshua nke a bụ̀ onye ahụ soro Moses rịgo n'Ugwu Sainai eleghịanya karịa onye ọ bụla ọzọ nke nọ n'akụkụ Moses. Ma n'ebe a, dịka onye náejere Moses ozi n'ikwesị ntụkwasịobi, anyị naahụ́ ya ka ọ naanọgidesi ike n'ọlụ ya. Ka Chineke nye anyị ọtụtụ Joshua ọzọ!

**Arịrịọ Moses Maka Iru Chineke**

Moses enweghị ojujuafọ banyere otú esi hazie ihe ahụ dịka emere ya ka o guzosieike. Ọ matara óké ọlụ nke ebokwasịrị n'ubu ya. Ọ matara na ndị ahụ bụ ndị náatamù ntamù, ndị obi ha naadà kwa mbà ndị náesi kwa n'ebe ezi Chineke nọ wezuga onweha. Ọ matara na ọ pụghị iduru ha rue ala Kenean n'ike nke aka ya. Chineke ekwewo mkwà izipụ mmụọozi Ya n'iru ha ma nke a ezurughị Moses, maọbụ kwa inwe mmetụta na ụzọ ha na Chineke egherewo oghe. Ọ bụrụ na ya na Chineke dị nnọọ n'udo, dịka Chineke kwuru, Chineke gaanọnyere ya n'ebe ọ dị ukwuu karịa otú Ọ naanọnyere ya n'oge niile garaaga. O nweghị mmasị ịmata ihe banyere ụzọ nke mmadu maọbụ ịchọ iheọmụma dị elu nke ụwa. Ọ chọrọ ịmata Chineke karịsịa. Ọ chọrọ ịmata uche nke Chineke n'òzùzùòkè. Ọ chọrọ ịhụta àmàrà n'iru Chineke karịa.

Chineke sọpụrụ Moses náeme kwa ka ọ mara na azawo ekpere ya: "Irum ganēje" (maọbụ "Irum gānọnyere gi.") N'ihi arịrịọ nke Moses na ekpere ya n'Iru nke Chineke ganaeso ha oge niile ọ bụghị náání mmụọozi ahụ onye náeje n'iru ha idozi ụzọ ha. Moses nabatara mkwà ahụ site n'okwu nzaghachi ya: "Ọ buru na Iru-Gi adigh-eje emela ka ayi si n'ebe a rigo." Moses achọtawo àmàra n'iru Chineke.

Ọ ka mma izute ọnwụ nime ọzara nke Ugwu Sainai karịa inwe àtụ̀mààtụ̀ ijè otù ụbọchị mgbe iru Chineke adịghị eso ha jee náewepụghị aka! Ọ ka mma ịnọ n'okpomọkụ nke ọzara karịa ala nke mmiriara ehi na mmanụ añụ naeru nime ya ma iru Chineke adịghị n'ebe ahụ! Òlee otú agaesi mata na ha bụ̀ ndị dị iche site ná mba niile nke ụwa ma ọ bụghị na Chineke naebi n'etiti ha? Òlee otú agaese mara na ha naeme uche Chineke ma ọ bụrụ na iru Ya adịghị n'etiti ha? Òlee otú ha gaesi mata n'owuweanya na mmụọozi nke Chineke naeje n'iru ha ma ọ bụrụ na iru Chineke anọnyereghị ha mgbe niile?

NdịKraist n'ụbọchị taa pụrụ ịmụta ihe bara urù site ná nnọgidesi ike nke onye nke Chineke a, bụ́ Moses, n'oge dị otú a nke ndụ ya. Òlee otú anyị gaesi mata na ekewapụtawo anyị idebe kwa anyị iche site na mmadụ niile ndị bi nime ụwa, ma ọ bụrụ na iru Chineke adịnyereghị anyị? Òlee otú anyị gaesi mata uche Chineke ma ọ bụrụ na iru Chineke adịnyerghị anyị? Òlee otú ọ gaesi wee anyị anya na mmụọozi nke Chineke naeje n'iru anyị ma ọ bụrụ na iru Chineke adịnyereghị anyị? Òlee otú anyị gaesi feè Chineke n'ụzọ kwesịrịekwesị ma ọ bụrụ na iru Ya esoghị anyị? Iru Chineke, Mmụọ Nsọ Ya, nke bụ́ ihe anyị naachọsiike, gbasi kwa mgbà ike maka ya, wee hụ́ Ya n'anya karịsịa ihe niile, mgbe Ya onweya bụ̀ nke anyị. Ekpere anyị mgbe niile ganaabụ́ "Ọ buru na iru-Gi adigh eje emela ka ayi si n'ebe a rigo."

## Akwụghachịrị Akpịrị Ịkpọnkụ Nke Imemmụọ

Otú ọ dị Moses ka nọ kwa náenweghị ojujuafọ, ọ chọrọ inweta ihe niile mmadụ ekèrèèkè pụrụ inweta n'aka Chineke. Ọ chọrọ mkpughe nke Chineke n'òzùzùòkè ya niile site n'aka Chineke, karị otú mmadụ ọ bụla nataworo. Ọ dịghị achọ ngọzi nke náadị nwaoge maọbụ otuto ụwa. Ọ naagụsi ya ike ka ekpughere ya Chineke, n'òzùzùòkè karịa nke ekpughere ya n'ọhịa ahụ náereọkụ̀, ịhụ́ Ya n'onweya karịa ọkụ̀ ahụ naeréeré n'ugwu ahụ, nke gaenye ya ojujuafọ karị nke o nwere site n'óké ọchịchịrị ahụ maọbụ n'ogidi igweoji ahụ. Agụụ naagụ obi ya bụ ka ọ hụ́ ebube Ya. Jehova zara arịrịọ ya, site n'obi ebere dị umeala náeme ka Moses mata ịdị mma Ya karịa ikpughere ya ebube Ya, nke anaahụbeghị na ikwupụta aha Jehova n'iru onye nke Chineke a.

N'iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị ọzọ nke náabịa anyị gaahụ́ nkeọma otú Chineke si náele Moses site n'ihe niile nke mere. Anyị gaahụ́ kwa otú Moses si gosipụta na ya onweya bụ̀ nwoke nke kwesịrị ka enyefe ya óké ọlụ dị otú a n'aka nke ịbụ onyendú na kwa inwe njikere ya na inwe mmasị ịbụ onye náarịrịọrọ ụmụ Israel arịrịọ, si bụrụ ihe anaegosi na ọchịchọ obi ya abụghị maka otuto ụwa na otuto nke ụmụmmadụ, kama ọ bụ n'ihi ike na ngọzi nke Chineke ịbịakwasị ná ndụ ya mgbe niile.

Lee otú ọ gaesi dị ebube nye Moses iguzo n'oghere nke óké nkume nwee mmetụ mgbe aka Chineke naekpuchi ya ka ewee ghara ikpochapụ ya n'iru Chineke Onye pụrụ ime ihe niile! Lee otú ọ gaesi bụrụ ihe náewuli elu mgbe emere ka ọ hụ́ ihe mmadụ ọ bụla náahụbeghị anya mgbe ọ bụla, wee nụ kwa olu Chineke ka Ọ naekwupụta aha Onyenweanyị, Jehova n'òzùzùokè niile nke ịdị mma, na ebere, àmàrà!

Lee ụdị ọnọdụ dị elu bụ́ nke onye nke Chineke a, bụ́ Moses, ruru n'etiti puku kwuru puku nke ndịagha Chineke kwesịrị ntụkwasịobi! Ọ bụ nke ya n'ihi na ọ gụrụ iru Chineke n'ihe dị óké ọnụ karịa ihe niile ọ bụla dị n'ụwa. Anyị onweanyị kwa pụrụ iru ọnọdụ dị elu n'ihe nke Chineke ma ọ bụrụ na anyị "eburu uzọ chọ ala-eze Chineke"; n'ihi na ekwewo anyị mkwà sị "Aka Chineke ayi di n'aru ndi nile nāchọ Ya ime ha nma" sị kwa na, "Ọ gagh-egbochi ezi ihe n'ebe ndi nējeghari n'izu-okè nọ."

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Ọ̀ bụ mgbe gịnị mere ka Chineke kwere Abraham na Jekob mkwà na Ya gaeme ka mkpụrụ ha keta ala Kenean?
2. Òlee ihe mgbanwe nke emere ka ọ pụta ìhè nye ndị Israel na mkwà ahụ nke Chineke kwere na Ya gaezipụta Mmụọozi ganaeje n'iru ha?
3. Gịnị bụ omume ụmụ Israel mere mgbe ha nụrụ okwu ndụmọdụ niile nke Chineke nyere Moses?
4. Òlee ebe eburu ụzọ maa ụlọikwuu nzute ahụ tupu Moses ewepụ ya?
5. Òlee iheọ̀mụ̀mụ̀ dị ukwuu anyị mụtara site n'otú ụmụ Israel si náeje n'ụlọikwuu ahụ?
6. Gịnị ka ụmụ Israel mere mgbe ebube Jehova rịdakwasịrị Ụlọikwuu nzute ahụ?
7. Òlee otú Baịbụl si kọwaa mmekọrịta nke Chineke na Moses?
8. Gịnị bụ arịrịọ Moses buru ụzọ rịọ tupu ọ rịọ maka ebube Chineke? Gịnị mere o ji náarịọarịrịọ ndịa?
9. Chineke Ọ̀ zara arịrịọ ahụ? Ànyị gaarịọ arịrịọ dị otú a mgbe anyị naekpe ekpere?
10. Gịnị mere Chineke azaghị arịrịọ nke Moses ime ka ọ hụ́ ebube Ya ngwangwa? Gịnị ka Chineke mere kama nke ahụ.